# NZUKỌ KRAIST NWANYỊ ANAALỤỌHỤ
# NKE KRAIST

**Ndi Efesọs 5:1-33**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 403**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na ayi bu ihe di n'aru Ya" (Ndi Efesos 5:30).**

**I Mkpà Ibi Ndụ dị Nsọ dị**

1 Adụrụ anyị ọdụ ka anyị náejègharị n'ịhụn'anya, Ndi Efesọs 5:1, 2; 4:1-4.

2 Adọrọ anyị akanántị banyere ibi ndụ nke mmehie, Ndi Efesọs 5:3-7

3 Onye ahụ nke kwereekwe naejègharị nime ìhè ahụ, Ndi Efesọs 5:8-13; I Jọn 1:7.

4 Uche nke Onyenweanyị bụ ka anaazụchapụta oge, itò na ifè Chineke òfùfè, Ndi Efesọs 5:14-21.

**II Nzukọ ahụ Arụ nke Kraist**

1 Nwunye n'ihe banyere ọnọdụ ya n'ebe di ya nọ bụ ụdị ọnọdụ nke Nzukọ Kraist n'ebe Kraist nọ, Ndi Efesọs 5:22-24

2 Di ahụ bụ ụdị Kraist na ịhụn'anya Ya n'ebe Nzukọ Kraist nọ, Ndi Efesọs 5:25

3 Kraist weèrè onweYa nye n'ihi Nzukọ ahụ ka Ya Onweya wee chee ya dịka Nwanyị Anaalụọhụụ nye onweYa, Ndi Efesọs 5:26, 27.

4 Akụziri ndịkom ka ha hụ nwunye nke aka ha n'anya dịka Kraist hụkwara Nzukọ Ya n'anya, Ndi Efesọs 5:28, 29

**III Ịmamma na Ebube nke Nwanyị Anaalụọhụụ nke Kraist**

1 Ejikọrọ nwanyị ahụ anaalụọhụụ na Kraist n'arụ nke dị omimi, nke anaadịghị ahụ́anya maọbụ eziokwu, naeme kwa uche Ya, náegosipụta ezi onyinye amara nke Ndị Kraist n'ihe niile, Ndi Efesọs 5:30; Ilu 31:10-31.

2 Dịka nwanyị naarapụ ihe dum n'ihi di ya, otú a ka ndị bụ́ nwunye ọhụụ nke Kraist naarapụ ihe niile ka ewee jikọta ha na Kraist, Ndi Efesọs 5:31, 32

3 Njikọ nke ọlụlụdinanwunye nke ụwa dị omimi ma bụrụ kwa ihe ebube, Ndi Efesọs 5:33

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Ndụ Dị Nsọ

Ezi Nzukọ Kraist, Nzukọ nke Ndịeburuụzọmụpụta, bụ arụ nke dị omimi. Nzukọ dịka amaara ya n'ụdị dị icheiche n'ihe anaahụ́anya nime ụwa, nwere ihe ntakịrị nke o ji yie Nzukọ ahụ nke anyị naamụ̀ ihe banyere ya n'Agba Ọhụụ. Kraist bụ Isi nke Nzukọ ahụ, nke a naegosi na Nzukọ ahụ nọ n'okpuru Ya nime òzízí ya niile, àtụ̀màátụ̀ ya dị icheiche na ụ̀kpụ̀rụ̀ ya niile. Ọ bụ ihe pụtara ìhè na nzukọ dị icheiche nime ụwa anọghị n'okpuru Kraist n'ihe niile nke ha naekwu, na nke ha naechè, maọbụ ihe ha naeme. Nke a naeme ka anyị mara ihe bụ mkwubiokwu ahụ na mmadụ ịbụ onye òtù Nzukọ nke Jisọs Kraist karịrị mmadụ ịbụ onye òtù nke otù ọgbakọ n'ụwa nke a. Ọ bụ ihe amaara nkeọma na ọgbakọ nke ụwa a nwere ọnọdụ ha ebe ha na anọchi, ma ịbụ onye òtù nke Nzukọ ahụ nke Ndịeburuụzọmụpụta bụ ihe kachasị mkpà.

Anaadụ anyị ọdụ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a ka anyị náebi ndụ dị nsọ. Mgbe OnyeKraist naahụ́ Chineke n'anya, náagụ náerube kwa isi n'Okwu Chineke ma bụrụ kwa onye agbaputaworo ná mmehie site n'aka Onye ahụ náenweghị mmehie, bụ́ Jisọs Kraist Onyenweanyị, ọ dịghị esiri ya ike irubeisi n'ụ̀kpụ̀rụ niile nke ọ hụrụ na Baịbụl. Ọ na amasị ya ịnara ndụmọdụ niile banyere nsọpụrụ Chineke ma náejidesi kwa ya

ike; ọ naeji kwa ọñụ nara ịdọakanántị niile banyere iheizendụ ọ bụla nke ọ pụrụ izute, ebe ọ matara na mgbe ọ naesozu Okwu Chineke ọ naegosi ịhụn'anya nke o nwere n'obi ya nye Onyeahụ nke náalụ mkpụrụobi ya dịka nwunye ọhụụ. Ọ dịghị efè Chineke òfùfè n'ihi ụgwọọlụ, maọbụ na ọ naalụ ya n'ihi ịtụegwù ịnata ahụhụ mmehie; kama ijéozi ya bụ n'ihi ịhụn'anya ahụ nke o nwere n'ebe Jisọs nọ Onye mewooro ya ihe ukwu.

### Ịdọakanántị dị Icheiche

Iheegwù dị mgbe Pọl dere Akwụkwọozi a nye ndị Efesọs na ụfọdụ nime ha nwereike náaga n'iru n'ụzọ nke mmehie, na nke adịghịọcha nke onye ajọomume ma otú ọdị bụrụ kwa ndị anaeduhie ikwenye na ha ka nwere òkè n'Alaeze nke Kraist. O kwusiri ya ike megide ụdị nkwenye ụgha dị otú a mgbe ọ sịrị: "Unu ekwela ka onye ọ bula were okwu efu rafue unu: n'ihi na ọ bu n'ihi ihe ndia ka iwe Chineke nābiakwasi umu nke ekwegh-ekwe." Iheegwù ahụ ka dị kwa n'etiti anyị taa. Náagbanyeghị ịdọakanántị dị icheiche nke dị nime Akwụkwọnsọ, ụfọdụ ka naebi kwa ndụ nime mmehie ma náakpọ kwa onweha ndị nke Kraist. Iheọ̀mụ̀mụ̀ a naagụpụta mmehie dịicheiche naekwusi kwa ya ike na ndị naeme ihe dị otú a enweghị òkè n'Alaeze nke Kraist na nke Chineke.

Onye nke Kraist apụtawo n'okpuru ọchịchịrị a dị egwù ma náaga ugbu a nime ìhè nke Oziọma ahụ dị ebube, Ihe ahụ niile nke ná emeri ya na mbụ ugbu a ọ naemeri ha. Ìhè nke Okwu Chineke naezi ya ọtụtụ ihe ugbu a n'ụzọ dị ọhụụ, ọ naakpọ kwa ajọ ihe niile asị. Mnwekọ nke ya na Chineke na ndị nke Chineke naatọ ya ụtọ. Ọ dịghị enwe kwa agụụ nke mnwekọ na inwe enyi nke ụwa, n'ihi na ọ naamata na ihe ndịa gaadọpụ ya n'ịhụ́n'anya ya nke o nwere n'ebe Onyenwe ya na Chineke ya nọ.

### Nkewapụ

Ihe dị icheiche nke onye ụwa naenwe mmasị nime ha naeme onyensọ nke Chineke ihere, n'ihi na ha na ndụ nke imemmụọ adịghị ekwekọrịta. Eziokwu dị nime ya bụ na ịhụ́n'anya nke OnyeKraist nwere n'ebe Chineke nọ naekewapụ ya n'ebe ndị ahụ nke náejègharị n'ọchịchịrị nọ; ndụ ya na ịgbaàmà ya naámá ha ikpé. Nwoke maọbụ nwanyị, okoroọbịa maọbụ agbọghọọbịa, onye wepụtara onweya ijikere maka nlọghachị nke Onyenweanyị Jisọs Kraist naadọgbu onweya n'ọlụ nke Onyenweanyị. Ihe ndịọzọ náeme nke ha naechè na ọ dịkarịrị mkpà ka ọ naahụ dịka ihe nzuzu, n'ihi na ọ naeleanya na Onyenwe ya gaabịa ịkpọrọ ya n'oge náadịghị anya. Ndịọzọ naasị na ihe niile náadịgide otú ha dị. "Site n'ubọchi nna-ayi-hà dara n'ura ọnwu" (2 Pita 3:4). Ma Nwanyị Anaalụọhụụ nke Kraist naachọsiike ma náekpe kwa ekpere ka oge hour ahụ bịa mgbe Onye ahụ nke náalụ Nwunye Ọhụụ gaabịa iwepụ Nwunye Ọhụụ Ya n'ụwa.

### Ịnọ Nánjikere

Ọ bụrụ na anyị gaje ịnọ nánjikere maka ọbịbịa nke Jisọs ma bụrụ kwa ndị òtù nke Nwanyị ahụ anaalụọhụụ nke Kraist, anyị aghaghị ime ihe karịrị ịma náánị na Ọ gaabịa ọzọ n'ụwa. Anyị aghaghị ijikere maka ọbịbịa Ya ma nọdụ kwa n'ọnọdụ njikere. Aghaghị iji okwukwe bubiga anyị, ma anyị agaghị enwe ụdị okwukwe dị otú a ma ọ bụghị ma ejiri Okwu Chineke sachaa ndụ anyị. Ma ọ bụrụ na nsacha ahụ nke sitere n'Ọbara Jisọs na Okwu Chineke adịghị, ọ bụrụ kwa na olileanya nke ọbịbịa Ya ahụ nke_dịnsọ adịghị n'obi anyị, anyị agaghị enwe okwukwe nke agaeji bubiga anyị -- ifeli n'elu n'enweghị ihe mgbochi mgbe Jisọs gaabịa.

Akụziri anyị iheọ̀mụ̀mụ̀ a nkeọma site n'ilu banyere Ụmụagbọghọ Iri ahụ Náamaghịnwoke nke edere n'akwụkwọ Matiu isi nke 25, (Matiu 25:1-13). Ise nime ụmụagboghọ iri ahụ náamaghịnwoke bụ ndị maara ihe, ise bụ kwa ndị nzuzu. Ihe dị iche bụ na ndị ahụ maara ihe nwere mmanụ n'arịa ha náejide kwa ọwa ha; amụnyekwara ọkụ n'ọwa ha nke náenwu kwa enwu, ha wee bànye n'oriri ọlụlụ dinanwunye ahụ. Ụmụagbọghọ ise ndị nzuzu ahụ lefuru ilekọta mmanụ dị n'arịa ha anya, ọkụ ha wee nyụọ. Mmanụ naegosi Mmụọ nke Chineke n'ọtụtụ ebe nime Akwụkwọnsọ. Ndị nzuzu ahụ ejeghị ijè nime ìhè ahụ iji nata n'òzùzùòkè mmanụ ahụ nke fọdụrụ dị ha mkpà, wee rapụ kwa nke ha nwere ka o hipụsịa. Ndị ahụ maara ihe jiri ohere enyere ha mere ihe site n'ịbụ ndị emejuru na Mmụọ Nsọ. Ebe ha nataworo Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, Ya onweYa bụ́ Mmụọ nke Eziokwu ahụ, duuru ha baa n'eziokwu niile wee gosi ha na Onyenwe ha naabịa mgbe nso.

Ha matakwara na ndị nlefuanya na ndị náejighịihe kpọrọihe agaghị enweike ijikere; ma site n'ichénchè na ekpere ha emeworị ka Mmụọ Nsọ nke nọ nime ndụ ha dịgide, ha wee bụrụ kwa ndị jikeere mgbe akpọrọ òkù ahụ. Ma n'ebe ndị nzuzu ahụ nọ ọ dịghị otú a. Site n'enweghị ezi nleruanya na nleefuranya ọkụ ha wee nyụọ ha anọghị kwa ná njikere mgbe itimkpu ahụ dara "Le Onye ñalu nwunye ọhu; putanu izute ya." Otú a ka ọ gaadị mgbe Onye ahụ nke náalụ Nwunye Ọhụụ gaabịa maka ndị bụ Nwunye ọhụụ Ya. Ndị nọ ná njikere gaabịa n'Oriri Ọlụlụ Nwunye nke Nwaatụrụ ahụ, ma ndị ahụ nke agaarapụ n'èzí gaabụ ndị gaaba ná mkpagbu ahụ dị óké egwù nke gaabịakwasị ụwa a.

Ndị bụ Nwunye ọhụụ nke Kraist bụ ndị ahụ nke ejikọtara ha na Kraist n'ọlụlụdinanwunye, Onye ahụ nke náalụ mkpụrụobi ha dịka nwunye. "N'ihi na ayi bu ihe di n'aru-Ya (Maọbụ anyị bụ ihe dị n'arụ ya bụrụ kwa ihe dị n'anụarụ Ya na n'ọkpụkpụ Ya") (Ndi Efesọs 5:30). Nzube nke Kraist bụ ka Ya onweYa wee nwee Nzukọ dị "ebube, nēnwegh ntupọ ma-ọbu iru ndọli ma-ọbu ihe ọ bula n'ihe di otú a; kama ka o we di nsọ buru kwa ihe anāpugh ita uta" (Ndi Efesọs 5:27). Ọ naenye amara iji jikere ụdị Nwunye Ọhụụ dị otú a ma debe kwa n'ọnọdụ dị otú a nime ụwa nke dị ugbu a. Anyị náenwe mmeri site n'Ọbara nke Nwaatụrụ ahụ na kwa site n'okwu nke ịgbaàmà anyị.

Mkpụrụọbi ọ bụla kwesịrị ijéịjè n'ìhè nke nwuwara n'ụzọ ya. "Ma ọ buru na ayi ejègharia n'ìhè ahu dika Ya onwe-ya nọ n'ìhè ahu, ayi nēnwekọria ihe n'etiti onwe-ayi ọbara Jisọs bú Ọkpara-Ya nāsachapu kwa ayi nmehie nile" (I Jọn 1:7). "Nka bu kwa nmeri nke meriworo uwa, bú okwukwe ayi" (I Jọn 5:4). Ọ bụ ihe anaapụghị ime bụ inwe okwukwe nime Chineke maọbụ ná mkwà niile nke Chineke maọ bụghị ma onye ahụ naejéịjè n'ìhè nke Okwu ahụ. Ọ bụrụ na mmadụ ajụ akụkụ ọ bụla nke ìhè ahụ nke echèrè n'iru ya, ìhè ahụ nke dị nime ya gaaghọ ọchịchịrị.

Nzukọ ahụ nke Ndị eburuụzọmụpụta bụ nke mmadụ dị icheiche mejupụtara, ọ pụkwara ịdị nsọ náenweghị ntụpọ dịka onye òtù ọ bụla nime ya bụ onye emeworo ka ọ dị ọcha ma dị kwa nsọ. Ọ bụrụ na ndị òtù a echezọ mkwà ha niile na ijiobichụọàjà ha nye Jisọs, agaanwa ha ka ha gbasoo "onye ọzọ" ha gaechezọ na ebumn'uche ha bụ ime ihe gaatọ Onyenweanyị ụtọ na ijikere kwa maka ụbọchị ahụ mgbe Ọ gaabịaghachị ịkpọrọ ndị nke Ya.

### Ndị  bụ Dina Nwunye

Ndị bụ di na nwunye ka anaakụziri ihe bụ ọlụ ha onye ọ bụla n'ebe ibe ya nọ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a banyere ịhụn'anya Kraist na mmekọrịta nke Ya na Nzukọ Ya. Ọtụtụ nsogbu, obimgbawa, mgbasasị nke ézìnaụlọ na ọtụtụ nkewa nke di na nwunye gaakwụsị ma ọ bụrụ na di na nwunye ahụ gaabụ ndị òtù nke Nzukọ ahụ Kraist bụ Isi ya. Mgbe di gaahụ nwunye ya n'anya dịka Kraist hụrụ Nzukọ Ya n'anya, ọ gaghị abụ onye náakpata nsogbu n'èzínaụlọ ahụ. Mgbe nwunye gaanọ n'okpuru di ya dịka Nzukọ ahụ nọ n'okpuru Kraist, akụkụ nke ya n'ihe banyere ọlụlụ di na nwunye ahụ gaeweta udo na ịhụn'anya nke náadịgide. Ọ bụrụ na di na nwunye erubeisi n'Okwu Chineke, mmeso ha onye ọ bụla n'ebe ibe ya nọ abụrụ ihe ziriezi, ha naemezu ọnọdụ ahụ nke Chineke doro nye ha n'inwe mmekọrịta nke imemmụọ nke jupụtara n'ọñụ. Ụmụ ha gaebili kpọọ ha ndị agọziriagọzi. Ọtụtụ mgbe anyị naanụ ịgbáàmà dị icheiche nke ndị agbapụtara ndị náenye nnenanna ha otuto n'ihi obibindụ ha n'iru ụmụ ha nke bụ ihe nlereanya ọma nke mere ka ụmụ ha chọọ iso nzọụkwụ ha n'ifè Onyenweanyị òfùfè.

### Ịnapụta Oge

Ndị Kraist nwere ọlụ dị ukwu n'ihe banyere otú ha gaeji were oge ha mee ihe. Pọl dụrụ anyị ọdụ ka anyị náazụchapụtara onwe anyị oge, n'ihi na ụbọchị ndịa jọrọnjọ. Anyị gaewere oge anyị mee ihe n'ụzọ kachasị mma site n'irita mkpụrụobi n'urù nye Alaeze ahụ. Ọtụtụ ihe nke náadịghị mkpà naapụtakarị nke mmadụ náaghaghị ime, ma Nwunye Ọhụụ nke Kraist naecheta na ọlụ mbụ dịrị ha ịlụ bụ irubeisi n'olu nke Onyenwe ha wee gaa n'iru náamị mkpụrụ dị óké ọnụahịa. Ọ ghaghị ime nke a ọ bụ ezie na mkpagbu na ọnwụnwa gbara ya gburugburu.

Nwunye Ọhụụ nke Kraist bụ Nwunye ọhụụ nke naeru uju taa. Ọ naebu obe ya ugbu a. Ọ dị ọcha dị kwa nsọ, bụrụ onye ejiri Ọbara sachaa, onye anụchara, ma nwaa kwa ya dịka ọlaedo, o jikeere ka agụọ ya dịka ihe ajụrụajụ nke ụwa ma náebu kwa ịtaụta n'ihi Aha Ya. Jisọs bụ onye nwere ọtụtụ ihe mgbu na onye makwara ọrịa nkeọma, ọ gaenwe kwa Nwunye Ọhụụ Ya bụ nke gaesoro Ya chịa, onye sowokwara

Ya hụkọọ ahụhụ. Anyị naebi n'oge anyasị nke ọbịbịa nke Ọkpara Chinekie. Mgbe náadịghị anya ohere nke anyị nwere irita mkpụrụobi n'urù nye Jisos gaagabiga. Mgbe ahu lee otú ọtụtụ mmadụ gaesi tiemkpu sị "Owuwe-ihe-ubi agabigawo, nghọkọta-nkpuru agwusiwo, ma ayi onwe-ayi, azọputagh ayi" (Jeremaia 8:20).

Dịka ụbọchị naajọnjọ gaa n'iru otú a ka OnyeKraist naenwu naaga n'iru. Dịka ụbọchị naajọnjọ karịa otú a ka ụmụmmadụ naachọsi ìhè nke Oziọma ike. N'oge Noa échìchè niile nke nchepụta nke obi ụmụmmadụ bụ nááni ihe ọjọọ ogologo ụbọchị ndụ ha niile. Ma ọ mara ụwa ikpé site n'ikwere na Chineke n'etiti ihe ọjọọ ahụ niile. Mgbe oge nke ijummiri ahụ bịara, Noa na ézìnaụlọ ya wee nyagharịa ụgbọ ha n'elu ijummiri ahụ, dịka ndị bụ Nwunye ọhụụ nke Kraist gaarigo n'ebe dị elu karịa ụwa ochie a ná mwepụ na nzuzo nke Nzukọ Kraist. Ọ gaanọ n'Oriri Ọlụlụ Nwunye nke Nwaatụrụ ahụ mgbe agaawụsa ijummiri nke Iwe Chineke n'eluụwa a n'oge Óké Mkpagbu ukwu ahụ. Ụzọ kachasị ịbaurù nke anyị gaeji zụchapụtara onweanyị oge maọbụ iji oge anyị mee ihe bụ ijikere maka ọbịbịa nke Onyenweanyị na inyere ndịọzọ aka ka ha wee jikere n'otù aka ahụ.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Ònye bụ Isi nke nzukọ Kraist ahụ?

2 Òlee ụdị Nzukọ nke Kraist naachọrọ Onweya?

3 Gịnị bụ ịhụn'anya ahụ nke di gaenwe n'ebe nwunye ya nọ?

4 Gịnị gaabụ omume nke nwunye gaemeso di ya?

5 Gịnị ka ekwuru n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a nke náarụgide anyị ka anyị zuchapụtara onwe anyị oge?

6 Gịnị gaabụ mmeso anyị n'ebe ọlụ niile nke ọchịchịri dị?

7 Gịnị bụ ihe edepụtasirị n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a nke pụrụ igbochi mmadụ ịbànye n'Alaeze nke Kraist ma weta kwara ụmụ nke nnụpụisi iwe Chineke?

8 Gịnị gaabụ ọnọdụ nke nzukọ Kraist ahụ nke agaeché n'iru Kraist?

9 Gịnị bụ ọnọdụ dị icheiche nke gaeme ka nzukọ Kraist nọdụ ná njikere maka Mwepụ na nzuzo ahụ?